KRAỊST AHỤ DỊ NDỤ

AMA NKE NDỊ OZI

NZUKỌ NSỌ AHỤ NKE JIZỌS KRAỊST NKE NDỊ NSỌ ỤBỌCHỊ IKPEAZỤ A

Dị ka anyị na-echeta ọmụmụ nke Jizọs Kraịst puku afọ abụọ gara aga, anyị na-enye ama anyị nke eziokwu nke ndụ Ya na-enweghi atụ na eziokwu nke nnukwu aja mgbaghara mmehie Ya na-enweghị ọgwụgwụ. E nweghị onye ọzọ nweworo oke mmetụta n'isi ndị niile biworo ma ka ga-ebi n'elu ụwa.

Ọ bụ Nnukwu Jehova nke Agba Ochie, Mezaya nke Agba Ọhụrụ. N'okpuru ntuziaka nke Nna Ya, Ọ bụ onye okike nke ụwa. "E sitere na ya kee ihe niile; ma o dighikwa ihe ọbụla e kere eke nke a na-ekeghị site na ya" (Jọn 1:3). Na-agbanyeghi enweghi mmehie, e mere Ya baptizim iji mejuputa ezi omume niile. O "jeharịrị na-eme ihe ọma" (Ọlụ Ndị-ozi 10:38), ma a kpọọ Ya asị maka ya. Ozi ọma Ya bụ ozi nke udo na uche ọma. Ọ rịọrọ ndị niile isoro ọmụmaatụ Ya. Ọ jere ije n'okporo ụzọ niile nke Palestin, na-agwọ ndị ọrịa, na-eme ka ndị kpuru isi hụ ụzọ, ma na-akpọlite ndị nwụrụ anwụ. Ọ kuziri eziokwu niile nke ebighị ebi, eziokwu nke ndụ tutu a bịa n'ụwa, ebumnoobi nke ndụ anyị n'ụwa, na ike mmepụta nke ụmụ ndị nwoke na ụmụ ndị nwanyị nke Chineke n'ụwa nke na-abịa abịa.

O hiwere oriri nsọ dị ka ihe ncheta nke nnukwu aja mgbaghara mmehie Ya. A nwụchiri Ya ma maa Ya ikpe n'elu ebubo ụgha niile, maa ya ikpe iji mee ihe igwe mmadụ chọrọ, ma maa ikpe ọnwụ n'obe nke Kalvarị. O nyere ndụ Ya iji chụọ aja maka mmehie niile nke ụmụ mmadụ. Nke Ya bụ nnukwu onyinye nnọchite anya n'aha nke ndị niile ga-ebi oge ọbụla n'elu ụwa.

Anyị n'olu dị nsọ na-agba ama na ndụ Ya, nke dị n'etiti agụgụala nke ụmụ mmadụ, ọbụghị na O bidoro na Betlehem ma ọ bụghị ịgwụ na Kalvarị. Ọ bụ Nwa mbụ nke Nna, Ọkpara A Mụrụ Naanị Ya n'anụ ahụ, Onye mgbapụta nke ụwa.

O bilitere site n'ili "ịghọ mkpụrụ mbụ nke ndị daworo n'ụra ọnwụ" (1 Ndị Kọrịnt 15:20). Dị ka Onyenwe anyị nke Biliteworo, O jere nleta n'etiti ndị Ọ hụworo naanya n'oge ndụ Ya. Ọ jekwara ozi n'etiti "atụrụ Ya ndị ọzọ" (Jọn 10:16) n'Amerika mgbe ochie: Niime ụwa ugbu a, Ya na Nna Ya pụtakwutere nwata nta nwoke Josef Smith, iji dubata "ọgbọ ozuzu oge a kara aka" e kwere nkwa ya ogologo oge. (Ndị Efesọs 1:10)

Gbasara Kraịst ahụ Dị Ndụ, Onye amụma Josef dere: "Anya ya abụọ dị ka ire ọkụ nke ọkụ; agịrị isi ya na-acha ọcha dị ka ezi snow; mbara ihu ya na-enwu karịa mmụke nke anyanwụ; na olu ya dị ka ụda nnukwu mmiri niile na-asọ asọ, ọbụna olu nke Jehova, na-asị:

"A bụ m onye mbụ na onye ikpe azụ; a bụ m onye ahụ na-adị ndụ, a bụ m ya onye ahụ egburu egbu; a bụ m onye nkwuchịte unu n'ebe Nna nọ." (OznỌd. 110:3–4)

Gbasara Ya Onye amụma makwara ọkwa: "Ma ugbụ a, mgbe e nyesịworo ọtụtụ ama nke e nyeworo gbasara ya, nke a bụ ama ahụ, nke ikpeazu niime ha niile, nke anyị na-enye gbasara ya: Na ọ dị ndụ!

"Niihi na anyị hụrụ ya, ọbụna n'aka nri nke Chineke; ma anyị nụrụ olu na-agba ama na ọ bụ Onye ahụ Amụrụ Naanị ya nke Nna—

"Na site n'aka ya, ma site na ya, ma na nke ya, ụwa niile ahụ dị, ma e kere ha, ma ndị bi n'ebe ahụ bụ ụmụ ndị nwoke na ụmụ ndị nwanyị ndị a mụrụ nye Chineke." (OznỌd. 76:22–24)

Anyị na-ama ọkwa na mkpụrụ okwu niile nke ịdị nsọ na ọkwa nchụaja Ya na Nzukọ nsọ Ya ka ewetaghachiteworo n'elu ụwa—"ewukwasịrị n'elu ntọala nke … ndị ozi na ndị amụma, Jizọs Kraịst n'onwe ya a bụrụ isi nkuku ụlọ ahụ" (Ndị Efesọs 2:20)

Anyị na-agba ama na Ọ ga otu ụbọchị laghachite n'ụwa. "Ma a ga-ekpughere ụwa ebube nke Onyenwe anyị, ma anụ ahụ niile ga-ahụkọta ya" (Aịsaịa 40:5) Ọ ga-achị dị ka Eze kachasị ndị Eze ma chịa dị ka Onyenwe anyị kachasị Ndị Nwenu, ma ikpere niile ga-egbu ala ma ire ọbụla ga-ekwụpụta kwa n'ife ofufe n'ihu ya. Onye ọbụla niime anyị ga-eguzoro ka Ọ kpee anyị ikpe dị ka otu ọrụ anyị na ọchịchọ niile nke obi anyị siri dị.

Anyị na-agba ama, dị ka Ndị ozi Ya echiziri echichi—na Jizọs bụ Kraịst ahụ Dị Ndu, Ọkpara nke Chineke na-apụghị ịnwụ anwụ. Ọ bụ nnukwu Eze Immanuel, onye guzooro taa n'aka nri nke Nna Ya. Ọ bụ ìhè ahụ, ndụ ahụ, na olileanya nke ụwa. Ụzọ Ya bụ ụzọ ahụ na-eduba n'obi ụtọ na ndụ nke a na ndụ ebighị ebi n'ụwa na-abịa abịa. Ekele dịrị Chineke maka onyinye na-enweghi atụ nke Ọkpara Ya dị nsọ.

OTÙ NDỊISI MBỤ

Gordon B. Hinckley
Thomas S. Monson
James E. Faust

Janụarị 1, 2000

KWORUM NKE IRI NA ABỤỌ AHỤ

Boyd K. Packer
L. Tom Perry
David B. Haight
Neal A. Maxwell
Russell M. Nelson
Dallin H. Oaks

M. Russell Ballard
Joseph B. Wirthlin
Richard G. Scott
Robert D. Hales
Jeffrey R. Holland
Henry B. Eyring

Unofficial poster layout of the text published on churchofjesuschrist.org. Not an official publication of The Church of Jesus Christ of Latter-day Saints. Generated by Urim, urim.samuelbaird.com